Abilene Christian University
Digital Commons @ ACU

Stone-Campbell Books | Stone-Campbell Resources

1960

# Akwukwo Abu Nke Church Of Christ

Churches Of Christ in Nigeria

Follow this and additional works at: https://digitalcommons.acu.edu/crs_books

Part of the African Languages and Societies Commons, Christian Denominations and Sects Commons, Christianity Commons, Liturgy and Worship Commons, and the Music Commons

Recommended Citation
Churches Of Christ in Nigeria, "Akwukwo Abu Nke Church Of Christ" (1960). *Stone-Campbell Books*. 115.
https://digitalcommons.acu.edu/crs_books/115

This Book is brought to you for free and open access by the Stone-Campbell Resources at Digital Commons @ ACU. It has been accepted for inclusion in Stone-Campbell Books by an authorized administrator of Digital Commons @ ACU.

# AKWUKWO ABU

NKE

# CHURCH OF CHRIST

# AKWUKWO ABU

NKE

# CHURCH OF CHRIST

CHURCHES OF CHRIST
NIGERIA

# AKWUKWO ABU

NKE

# CHURCH OF CHRIST

CHURCHES OF CHRIST
NIGERIA

Ndi Efesọs 5:23

1. Nzukọ-Kraist ṅw'otu nt' ala
   Jisus b'onye nwe ya;
   Oji miri na okwu
   Ke ya okik' ọhu;
   O si n'igwe bia chọ ya
   Ibu nwunye-nsọ-ya;
   O ji ọbara gba ya,
   We nwua n'ihi ndu ya.

2. Nrọputa nke mba nile,
   Ọ b'otu nim' uwa;
   Isi' okwu nzọputa—ya
   Otu Nn'otu okwukwe;
   Nagọzi otu aha,
   Neri otu nri-nsọ,
   Nagbas' ot' Olil' anya,
   Eyikwas' amara.

3. Itu-n'anya na nleda
   K' eji hu nmegbu—ya
   Nkewa n' ozizi—ugha
   Nakpagbu ya n' ezie
   Ma ndi nsọ neche kwa nche,
   Akwa ha—"Ole mgbe?"
   Anyasi nke ikw' akwa
   Gaghọ ututʼ ọñu.

4. Nim' ahuhu na ndọgbu,
   N'uzu nke agha-ya,
   Ọneche nmezu nile
   Nk' udo ebigh-ebi;

Rue mgbe ọhu otuto
K'eji gọzi' anya ya;
Nzukọ uku gemeri;
Nwe kwa iz' ike ya.

5. N'uwa ya na Nna b'otu,
Chuk' Atọ nime otu;
Neso kwa ndi nez' ike
Na nnwekọ di utọ
Ndi nsọ ndi nọ kwa n'ọṅu
Jisus, ny' ayi amara
K'ayi yiri ha, ndi nwayọ
We biyere I n'elu! *Amen.*

**2** *Christ is made the sure foundation*

1 Ndi Kọrint 3:11

1. Kraist bu ntọ-ala di ike,
Kraist, isi nkume-nkuku
Nke Chineke rọputara
Nejikọ Nzukọ n'otu
Iye'aka Zaiọn mgbe nile
Na ntukwasi-obi ya.

2. N'ulo nka eb'ayi nakpọ Gi,
Chuku, bia n'ubọchi ta;
Were kwa obi ọma Gi
Nuru aririọ ndi nke I
Wusa ngọzi-Gi zur' oke
Nim'aja-ya mgbe nile.

3. N'ebe a nye ndi oru Gi dum
Aririọ nke ha nariọ
Ka ha soro ndi ngọzi Gi

Jid' ihe ha riọtara;
So kwa Gi nime otuto
Bur' eze mgb'ebigh-ebi.

4. Otuto, nsọpuru nile
Diri Chineke, bu Nna,
Di-kwa-r' Ọkpara na Mọ Nsọ
Atọ nim'otu mgbe dum,
Onye d'ike nim' otuto
Rue n'uwa ebigh-ebi. *Amen.*

## *Holy, Holy, Holy, Lord God Almighty* 3

Nkpughe 4:8 *S.* 22.

1. Nsọ, Nsọ, Nsọ! Chuku-Okike,
N'Isi ututu ayi gabu abu nye Gi;
Nsọ, Nsọ, Nsọ! Onye ebere,
Atọ nim' otu, Chuku di ngọzi.

2. Nsọ, Nsọ, Nsọ! Ndi nsọ neto Gi,
Natuda okpu ha n'iru oche eze Gi;
Cherubim na Serafim nada n'iru Gi,
Onye nọri, nanọ, ganọgide.

3. Nsọ, Nsọ, Nsọ! Gi di ebube,
Anya ndi nmehie apugh ihu otuto Gi;
Ọ bu nani I di nsọ: Ọ digh ony' ọzọ,
Zur' oke n'ike, na ihu n'anya.

4. Nsọ, Nsọ, Nsọ! Chuku-Okike,
Ọlu Gi dum n'igwe n'uwa geto aha Gi
Nsọ Nsọ, Nsọ! Onye ebere,
Atọ nim' otu, Chuku di ngọzi. *Amen.*

## 4 *How sweet the name of Jesus sounds*

Ndi Filipai 2:9 *S.* 663

1. Aha Jisus di ok'utọ
Na nti onye kwere;
Ọ nakasi ya n'ahuhu Nachupu egwu ya.

2. Ọ nagwọ ọria nkpur' obi,
Najur' obi nsogbu;
Ọ bu nri nke onye-agu,
Nenye izu ike.

3. Nkume ebe m'wuru ulom
Ọtam n'ebe ngbabam;
Ulo akum di mgbe nile,
Juputa n'amara.

4. Jisus, Eyim, Onye nazum,
Ezem Ony' ozizim
Onye-nwem, na Ndum na Uzọm
Nar' otuto m'ji bia.

5. Obim jiker'ike adigh
Echichem jur' oyi
Ma mgbe M'gahu Gi k'I si di
Aghaghm it'ozu Gi.

6. Ka m'kwusa ihu-nanya Gi
Site n'ikem nile
K'aha Gi nke tọkar' utọ
Nye obim ndu n 'ọnwu. *Amen.*

## *God who made the earth* 5

Jenesis 1:1

1. Chuk' Ony' Okike,
Nke Uwa n'el'igwe,
Onye ker' anyanwu,
Nelekọtam.

2. Onye ker'ọhia,
Osisi na Nkpuru,
Ehihie na abali,
Nelekọtam.

3. Onye ker' anwu,
Ọnwa na kpakpando,
Mgbe ahuhu biara, Ọ
Nelekọtam.

4. Ya ziri Nwa Ya,
K'Ọ nwua na Kalvari
Ma M'dabere Ya, Ọ
Nelekọtam.

5. Mgbe m'ruru n'igwe,
Ma hu ndi-eyi-Ya
M' geso ndi nsọ bua: Ọ
Lekọtaram! *Amen.*

## *Rock of Ages, cleft for me.* 6

Ọpupu 33:22 *S.* 237

1. Nkume mgbe ebigh-ebi
Kwe ka m'zoro nime Gi;
Ka miri na ọbara

Nke si n'akuku I puta,
Buru ih' isacha njọm,
Nzọputam n'ike nke-ya.

2. Ọ bugh ọlu nke akam
Gemezu iwu nke-Gi
M'jisiwod'ike mgbe dum,
Nakwa kw' akwa mgbe nile
H' apugh iwepu nmehiem;
Nani Gi gazọputam.

3. Agbam aka biakute I
Amakurum obe Gi;
Agbam ọtọ nim'obim,
Nyem uwe, yerem aka;
Abiam n'isiyi n'inyi;
Onye nzọputam, sacham.

4. Ebe m'nek'ume ndu nka,
Mgbe mechir' anyam n'ọnwu,
Mgbe m'gala n'uwa ọzọ,
Hu Gi n'oche ikpe Gi
Nkume nke ebigh ebi
Kwe ka m'zoro nime Gi.

7 *I gave my life for thee.*

Ndi Galetia 2:20 *S.* 621

1. Anwurum n'ihi gi,
We wusi ọbaram,
K'ewe gbaputa gi,
K'i ba na ndu ọhu
Anwurum n'ihi gi;
Gini ka gi merem ?

2. Ejim ọtut' arọ
N'ik' ọgwugwu n'akwa
Ime ka gi we nwe
Ọṅu ebigh-ebi
Enyerem arọm dum
Ole ka gi nyerem?

3. Ulo ihe nke Nnam,
Och'ezem mara nma,
Ka M'rap'ru bia n'uwa
Inọ n'ihe-nwuta
M' rapuru ha n'ihi;
Gini k'i rapuru?

4. Ahuhu M'huru gi,
Ibu obi d'ilu,
Ha nanaputa gi
N'ọnwu ebigh-ebi
Ahuhu ka m'huru i,
I gahurum gini?

5. Ewetaram nye gi,
Site n'ulom n'igwe,
Nzọputa na udo,
Na ihu-n'anya nkem,
Akum ka M'wetara i,
I wetaram gini?

6. Onye nwem, ka m'nye ndum,
Ka m'nye arọm nile;
Ka m'tọpu agb'uwa,
N'ihi Gi, Chinekem,
Gi nyerem Onwe-Gi
Le, enyem I onwem.
Le, enyem I onwem. Amen.

8 *The love that Jesus has for me*

Jọn 15:13 *S.* 648

1. Ihu-n'anya Jisus jirim,
N'ihu ahuhu n'osisi,
K'Ọ buru Onye-ngbaputam,
Madu apugh ikọ!

*Chorus*:—Ihu n'anya di ebube!
Ihu n'anya di ebube!
Ihu n'anya Jisus jirim,
Madu apugh ikọ.

2. O bur'ibu-obi d'ilu
Le, okpu ogwu okpuru,
Ka m'we di kwa ndu mgbe nile,
Madu apugh ikọ—!

3. Udo m'nwere nim'Onye-nwem
Onye nariọ n'iru Chuku
Ọlu ọbara Ya-luru
Madu apugh ikọ!

4. Ọṅu O wetara ndi-Ya,
Iz'ike ayi nenwe na Ya,
Na ezi olile-anya,
Madu apugh ikọ ! *Amen.*

9. *When I survey the wondrous cross*

Ndi Galetia 6:14. *S.* 115

1. Mgbe m'nele anya n'osisi,
Ebe Eze nke ndu nwuru,
Uru akum na nganga nkem,
Agurum ha n'ihe-efu.

2. Chuku ekwelam nya isi
Ma ọbugh n'ọnwu Kraist, Onye-nwem,
Ih'efu nke natọm utọ,
Arapuwom ha n'ihi Ya.

3. Le, site n'aru-Ya nile,
Ihu-n'anya nerudata;
Ọ di mgbe eji ogwu me
Okpu-eze di nma otu a?

4. Ma uwa nile buru nkem,
O zugh inye Ya onyinye,
Ihu-n'anya d'uku otu a
Kwesiri inwe ndum nile. *Amen.*

*Redemption! O wonderful story* **10**

Ndi Efesọs 1:7 *S.* 16.

1. Ge nti! akukọ di ebube!
Ozi ọma n'ihi mu na gi;
Na Jisus wetar'ayi ngbaghara,
Ọ kwusia ugwọ-ayi n'obe.

*Chorus*:—Kwere Ya, Ony'ọjọ kwere Ya,
Nara ozi ọñu ahu,
Tukwasi obi-gi na Jisus,
Nzọputa k'Ọ nenye gi ta.

2. Ọ zọput' ayi n'ọnwu k'ayi di ndu,
O me k'ayi ghọ umu Chuku;
Otu nsacha di n'ihi ndi-njọ
Nsacha n'ọbara nke Jisus.

3. Njọ agagh-enwe ike ọzọ,
Ọ bu ezie n'Ọ ganwa gi;
N'ihi na Kraist, site n'ọnwu-Ya,
Gemeb'ike nile nke njọ.

4. Ugbu a nara ẹbere Chuku,
Gba ọsọ jeku Jisus ta;
Ọ gakpọbata onye biara,
Ọ digh onye Ọ gachupu. *Amen.*

**11** *The Head that was crowned with thorns*

Abu Ọma 8:5 *S.* 141

1. Isi nke kpururi ogwu
Nekpu otuto ta;
Okpu-eze di ebube
Jisus Dinkpa kpuru.

2. Oche nke kachasi elu
Bu oke-Ya n'ezie
Eze nd'eze Onye-nwe ọra
Ihe ebigh-ebi.

3. Ọn̄u ndi nile bi n'igwe,
N'ọn̄u ndi bi n'uwa
Ndi mara ihu-n'anya-Ya
Ndi kwere n'aha-Ya.

4. Ha kere okẹ n'ihere
Na ngọzi nke obe;
Aha-ha di mgb'ebigh-ebi,
Ọn̄u-ha bu nk'igwe.

5. Ọnwu ihere Ọ nwuru
Nenye ndi nke-Ya ndu
Obe-ya bu Olil' anya,
Na otuto nke-ha. *Amen.*

Nkpughe 1:7 *S.* 161

1. Le! O si n'igwe narida,
Ony' egburu n'ihi ayi;
Ọtutu ndi nsọ neso Ya
Nabu abu nke nmeri;
Haleluya!
Chuku abia ib' Eze.

2. Anya nile gahu kwa Ya,
N'ebube-Ya di uku
Ndi nke kpapuru Ya, re Ya,
Kpọgide Ya n'osisi,
Geji akwa
Hu ezi Mesaia-ha.

3. Ihe-ama nke ọnwu-Ya
Di kwa n'aru ọma-Ya
Nka nakpatara ndi nke-Ya
Ọñu di mgb' ebigh-ebi;
Anya gini
K'ayi ji le apa-ntu-Ya!

4. Ngbaputa, nk'eler'anya-Ya
Aputawo n'ebube;
Ndi nsọ-Ya, ndi uwa juru,
Geje zute Ya n'ẹlu,
Haleluya!
Ubọchi Chinek' abia.

5. Amen! k'ọra madu to Gi,
N'elu oche-eze-Gi,

Were ike na ebube
Nara ala-eze-Gi
Biko, bia ngwa,
Chinek' ebigh-ebi abia! *Amen.*

**13** *There is a green hill far away* *S.* 1134

Mak 15:20

1. Ugwu di n'ebe di anya,
N'azu ot'obodo,
Ebe akpọgburu Jisus,
Nke nwuru n'ihi ayi.

2. Ayi apugh ikọ akukọ
Ihe-nwuta nke-ya
Ayi kwere n'ọbu nani ayi
K'Ọ huru ahuhu.

3. Ọ nwuru k'agbaghara ayi,
K'ayi we ghọ ndi ọma,
K'ayi la n'igwe n'ikpe-azu,
N'ike ọbara-ya.

4. Ọ digh onye ọzọ puru
Ikwu ugwọ nke njọ,
Nani ya pur' imegh'uzọ
Nke igwe k'ayi bata.

5. Ọ huru ayi n'anya nk'uku
Ayi gahu-kwa-ra ya,
Tukwas'obi n'ọbara-ya,
Nalu ọlu nke-ya. *Amen.*

I Ndi Kọrint 15:54

1. Jisus di ndu! gi ọnwu,
I pugh ime k'ayi tua egwu,
Jisus di ndu gi ili,
I pugh ime k'ayi buru oru
Haleluya!

2. Jisus di ndu ! rue ugbu a
Ọnwu bu ọn'uzọ nke ndu;
Nka gewepu egwu-ayi
Mgb'ayi gagabiga uzọ-ya
Haleluya!

3. Jisus di ndu ! Ọnwur'ayi:
K'ayi diri nani Jisus ndu;
K'ayi biri n'obi ọcha
Neto Onye-nzọputa-ayi
Haleluya!

4. Jisus di ndu! ayi mara
Ọdigh ihe gekewap'ayi
Ndu, ọnwu, na Ekwensu,
H'apugh inap'ayi n'aka-Ya.
Haleluya !

5. Jisus di ndu ! ewere
Oche-eze nile nye ya;
Ayi puru'iru eb' Ọ nọ
So ya buru eze n'igwe.
Haleluya! *Amen.*

## 15 *Hallelujah, "He is risen !"*

Matiu 28:6

1. Haleluya, O biliwo !
   Jisus arigo n'elu!
   Tikpọ kwa ike nke ọnwu,
   M'Ozi buanu, madu za:
   O biliwo, O biliwo
   Di ndu Ọ pugh inwu ọzọ.

2. Haleluya, Obiliwo!
   Onye-isi-ayi uku
   Zite Mọ Nsọ onye-ama
   Bu ọnu-nekwuru-ayi
   O biliwo, O biliwo!
   Ikpe amagh ayi ọzọ.

3. Haleluya, O biliwo!
   Ọnwu enwegh ik'ọzọ,
   Kraist, bu kwa nbilite-n'ọnwu
   Gakpọte ndi-Ya n'ili
   O biliwo, O biliwo
   Ọ di, ndu Eze nabia. *Amen.*

## 16 *Our blest Redeemer, ere He breathed*

John 16:7 *S.* 191

1. Tutu Jisus ala n'igwe,
   Ọ rapuru ndi-ya
   Onye-ndu bu onye-nkasi
   K'Obiyer'ayi.

2. Ọ biara n'oyiyi nduru,
   Nke gbasara nku-ya,

Iwus'udo n'ihu-n'anya
N'elu uwa.

3. O ji ire ọku-ndu bia,
Izi ndi-ya ihe;
N'ike nka anahugh anya
Dik' ifufe.

4. Ọ biara inye ayi ike
Ony'ọbia amara;
Obi ọbula kwere ya
Bu ulo-ya.

5. Olu nwayọ-Ya k'ayi nanu
Dik' ifuf' anyasi;
Nanapu ayi nmehie n'egwu
K'ayi Cheta igwe.

6. Ezi Omume nk'ayi nwere,
Nmeri njọ ọbula,
Echiche ọma nile bu
Nani nke-ya.

7. Mọ nk'idi-ọcha n'amara,
Le ayi any'ebere;
Me k'obi-ayi buru ulo-I
Nke kwesiri I. *Amen.*

*O Lord of life, where'er they be* **17**

Nkpughe 14:13

1. Onye-nwe-ndu, eb' ọbula
Ha nọ n'ebigh-ebi nke-Gi
Ndi-ayi nwuru nadiri Gi,
Haleluya!

2. Gi nw'obi dum, n'ebe nile,
Ha nez'ike n'okpuru Gi
Ha keta otu nchebe-Gi
Haleluya !

3. Okwu-I b'ezie, uzọ-I di nma;
"Ntu lara ntu," m'ayi bukari
Abu nke ntukwasi-obi
Haleluya!

4. Ndi nwuru na Gi nọ n'ọñu,
Egwu agagh-atu h'ọzọ;
N'ọnwu na ndu, ha nwe ngọzi
Haleluya! *Amen.*

**18** *To Thy temple I repair*

Abu Ọma 122:1

1. Agajem ulo-I, Chuku,
Ikpọ isi ala natọm,
Mgbe m'gezute n'ulo nsọ-I
Kraist n'ir' och'ebere-ya.

2. Ya mere k'ayi di n'otu,
Ya mere ka m'ghọ nwa-Gi;
Abba, Nna, nyem amara
Ichọ, iru-I n'ulo-Gi.

3. Mgb' anabu abu, Otuto-I,
Biko, tọpu ire nkem;
K'obim wer'ọñu gọzie
Gi bu ezi-Omumem.

4. Mgbe ndi nsọ nekp'ekpere,
Chuk' ihu-n'anya, nurum;
Nuru, Mọ nke-Gi nariọ,
Nuru, Jisus nariọ kwa.

5. Mgbe ndi-ozi-Gi nezi
Ngbaghara n'udo n'aha-I,
Me ka m'site n'olu-ha
Nu okwu-Gi si n'igwe.

6. Mgbe m'si n'ulo-Gi lata,
K'obim nekp'ọku nimem,
Ma m'anyasi me ka m'si
Mu na Chuku akpa ta! *Amen.*

*There is a Home Eternal* **19**

2 Ndi Kọrint 5:1 *S.* 924

1. Otu ulo ebigh-ebi di
Nke mabur'onwe ya,
Ebe ọñu di utọ
Nadigh agabiga;
Ndi Mọ-Ozi nabu abu
N'iru oche eze mgbe dum
Ole mgbe m'geji hu gi
Ulo ọma di n'igwe!

*Chorus:*—Ulo mara nma!.....
Ulo mara nma
Ulo nke Kraist Jisus
U...lo mara nma.

2. Ihe ọma nadi adi,
N'ulo ahu mara nma
Umu nta nabu abu
Neto Jisus n'ebe ahu
Ha nabu abu ọṅu
N'iru oche-eze mgbe dum
Ole mgbe m'geji hu gi
Ulo ọma di n'igwe!

3. M'geso nd'agbaputara,
Bi n'igwe mgbe dum;
Kraist bu Onye nzọputam,
M'gagh atu egwu ọnwu
Anyam gaje ihu Ya
K'Ọ nọ n'oche eze ọma
Mgbe ahu ka m'geji hu Gi
Ulo ọma di n'igwe. *Amen.*

## 20 *There is a city bright*

II Pita 3:13

1. Obodo ọma di
Ọdigh ihe ọjọ
Nwere ike iba,
Nwere ike iba,
Nime ọnu uzọ ya.

2. Gi ka m'biakutere,
Nwa aturu Chineke
Mem ka m'di ọcha
Biko zọputam
N'aka nmehiem nile.

3. Nna ayi site na mgbe nka
Me ka m'buru nwa Gi
  Wer'ike-I jidem
  Wer'ike-I jidem
Ka m'ghara imehie.

4. Rue mgbe m'nọ n'etiti
Ndi agbaputara,
  Di ọcha na nsọ,
  Di ọcha na nsọ
N'obodo ọma Gi. *Amen.*

## *Breathe on me, Breath of God.* 21

John 20:22

1. Kuyem ume, Chuku;
Mejuem na ndu ọhu,
Ka m'we hu ihe-Gi n'anya,
Neme kwa uche-Gi.

2. Kuyem ume, Chuku;
Rue mgb'obim di ọcha,
M'we nachọ ihe I nachọ
Nọgide nime ya.

3. Kuyem ume, Chuku,
Rue mgbe m'gabu nke-Gi,
Anu-arum nka we nenwu
Ka ihe nk'el'igwe.

4. Kuyem ume, Chuku,
Ka m'ghar'inwu anwu,
Ma soro I di ndu zur'oke,
Nke mgb'ebigh-ebi-Gi. *Amen.*

## 22 *Holy Spirit, faithful Guide*

Abu Ọma 25:5 *S* 194

1. Mọ Nsọ, ezi Onye-ndu!
Nanọ nso onye nke Kraist;
Wer'aka-I dur'ayi nwayọ,
Nd'ije n'ala bu ọhia,
Nd'ike gwuru nañuri,
Nanu ol'utọ nke-Gi,
Si, "Onye fur'uzọ, bia,
Sorom, agamedula I!"

2. Eyi kasi nma nọ nso
Iyere ayi aka mgbe dum;
Arapukwal'ayi n'egwu,
Nasọ isi n'ọchichi,
Mgbe ok'ifufe nefe,
Ike n'olil'anya agwu,
Si, "Onye fur'uzọ, bia,
Sorom, agamedula I!"

3. Mgb' ubọchi ọlu-ayi gagwu,
Mgbe ayi neche iz'ike,
Mgbe ekpere na igwe,
Nani ha fọduru ayi,
Mgb'ayi gaf'osimir' ọnwu,
Natukwasi Kraist Obi,
Si, "Onye fur'uzọ, bia,
Sorom, agamedula I!" *Amen.*

## 23 *Come Holy Spirit, heavenly Dove*

I Jọn 4:13 *S.* 188

1. Bia Mọ Nsọ, Nduru nke igwe,
N'ike ndu-Gi nile,

Muye ọku ihu-n'anya,
N'obi-ayi jur'oyi.

2. Ayi n'abu abu-ayi n'efu,
Ike nbili adigh,
Otuto-ayi naju oyi,
Ekpere nanyi ayi.

3. Chineke, ayi gadigide
N'ume-ngwu di otu a?
Ihu-n'any'ayi ajuk'oyi,
Ma nke-I ekpok'ọku!

4. Bia, Mọ Nsọ, Nduru nke igwe,
N'ike ndu-Gi nile,
Musa ọku ihu-n'anya-I
Nke gafunwu nke-ayi. *Amen.*

*Jesus I have promised* **24**

Jọn 12:26 *S.* 606

1. Jisus, ekwerewom nkwa
Ife I rue ọgwugwu,
Biko, nọ nsom mgbe nile,
Onye-nwem n'Eyi nkem.
M'gagh-atu egwu agha
M'I nọdu n'akukum,
M'gagh-ejehie n'uzọ-Gi
M'I buru onye-ndum.

2. Ka m'mata na Gi nọ nsom,
Uwa nọ nsom mgbe dum;

M'nahu ih'isu-ngọngọ,
M'nanu Ol'ọnwunwa.
Nd'irom nọ nsom mgbe nile,
Nọ nimem, n'akukum;
Ma Jisus, bia nsom kari,
Gborur'obim nmehie.

3. Biko ka m'nuru okwu-I;
Olu d'ezi nwayọ,
Nke kar'olu agu-njọ,
N'olu nnupu-isim.
Kwue k'I we kasiem obi,
Gham ume, jidekwam,
Biko, kwue, me ka m'ge nti,
Gi onye-nche obim.

4. Jisus, Gi kwere nkwa nye,
Ndi nile neso Gi,
N'ebe I nọ n'otuto,
Eb'ahu ndi-I ganọ,
Jisus, ekwerewom nkwa
Ife I rue ọgwugwu,
Nyem amara ka m'neso,
Onye-nwem n'Eyi nkem.

5. Biko, ka m'hu nzọ-ukwu-I,
Zọye nkem nime ha,
Olil' anya na m'geso
Bu nani n'ike-Gi.
Biko, kpọm dọrọm nedum,
Nejidem mgbe nile,
Kpọbatakwam n'el'igwe,
Onye-nzọtam n'Eyim. *Amen.*

Ndi Filipai 4:11 *S.* 77

1. Nkpa-Gi nakpam mgbe dum,
   Nna nk'amara,
   Ọdigh olu ka nke-I
   Genyem udo.

*Chorus:*—Nkpa-Gi nakpam, Ọ nakpam
Ọnakpam mgbe nile;
Onye-nzọputam, gọziem!
Abiakutem Gi.

2. Nkpa-Gi nakpam mgbe dum,
   Nanọyerem!
   Ike ọnwunwa ada
   Mgbe Gi nọ nso.

3. Nkpa-Gi nakpam mgbe dum,
   N'ọṅu, n'ufu,
   Me ngwa bia biyerem,
   Ndu gadi nma.

4. Nkpa-Gi nakpam mgbe dum,
   Zim ọchichọ-I;
   Ka nkwa-Gi nar'Uba
   Mezue n'imem.

5. Nkpa-Gi nakpam mgbe dum,
   Onye di Nsọ!
   Mem Onye-Gi n'ezie,
   Nwa di ngọzi! *Amen*

## 26 *I could not do without Thee*

Jọn 15:5 *S.* 844

1. Apughm iwezuga Gi,
   Eyi ndi fur'efu!
I ji ọbara gbatam
   N'oke ọnu-ahia,
Ezi omume-I, ngbaghara-I,
   N'ọbara, Gi gabu
Olil'anyam na nkasim,
   Otutom n'agugọm.

2. Apughm iwezuga Gi,
   Guzo nani n'onwem,
Enweghm ike n'idi-nma,
   M'ọbu amam-ihe,
Ma Gi, Onye-nzọputam,
   Bu ihe nile nkem,
Ike nim'adigh, ike
   Diri ndi dabere I!

3. Apughm iwezuga Gi!
   Eyi ọzọ amagh
Ọchichọ di ngbu nk'obi,
   Ikwuputa nkpa, ya
Onye ọzọ apugh iba
   N'ebe-nzuzo nk'obim,
Nye ya ndaju na nkasi,
   Onye-nwem, m'ọbugh Gi!

4. Apughm iwezuga Gi
   Arọ ngabiga,
Ọdigh anya mgbe m'gefe

Miri nk' ọnwu nanim.
Ma I gagh-agbanarim;
M'ebili maghari,
Amawom n'Iganọ nsom,
Nagwam, si, "Ọ bu mu !" *Amen.*

## *Jesus, still lead on* 27

Ọpupu 33:14

1. Jisus dugide
Rue mgb'ayi gez'ike;
Ma uzọ gba ọchichiri,
Ayi geso ghar'itu egwu,
Wer'aka-I dur'ayi
Rue ala nke Nn'ayi.

2. Ma uzọ jọ njọ,
M'ony'iro nọ nso,
Ekwela k'egwu jide ayi,
Ekwel'ayi rap'olil' anya,
Site n'ahuhu
Ayi gala n'ulo.

3. Mgb'ayi nachọ nkasi
N'oke ihe-ngbu,
Mgb'ọnwunwa ọhu nesogbu,
Me ka ntach'obi zue oke,
Gosi ayi ala
Eb'akwa nadigh.

4. Mgb'ih'utọ nk'uwa
Puru n'anya-ayi,
Mgbe ayi si n'ọnwu hu igwe,

Mgb'agbaputar'ayi na nmehie
Si n'ulo ọma-I
Kpọr'ayi nye Chuku.

5. Jisus, dugide
Rue mgb'ayi gez'ike,
Onye-ndu nk'igwe, nedu ayi
Nakasi, neyer'ayi aka,
Rue mgb'ayi geguzo
Nime ala nke Nn'ayi. *Amen.*

## 28 *Teach me Thy Way Oh Lord*

Abu Ọma 86:11

1. Chuku zim uzọ Gi,
Zim uzọ-Gi
Biko, yerem aka,
Zim uzọ-Gi!
Ka m'site n'okwukwe
Neje ije nk'ọma,
Wer'ihe-Gi nedum,
Zim uzọ-Gi!

2. Mgbe m'nwe obi abua,
Zim uzọ-Gi!
Mgbe alulu nakwu,
Zim uzọ-Gi!
Mua nime igwe oji,
Nim'ọlu, n'ihe-ngbu,
Dozie uzọm nk'ọma.
Zim uzọ-Gi!

3. Mgbe nile m'nadi ndu,
Zim uzọ-Gi!

N'ebe nile m'ganọ,
Zim uzọ-Gi!
Rue mgbe ọsọ gagwu,
Rue mgbe ije gebi,
M'we kpur'okpu-eze,
Zim uzọ-Gi! *Amen.*

### *Stand, Soldier of the Cross* 29

Olu Ndi Ozi 22:16

1. Gi ony'ọgu obe,
Guzo, kwe nkwa nke-gi,
Na i gag'uwa n'ih'efu
N'ihi aha Jisus.

2. Bilie, k'eme i baptism
Sachapu nmehie-gi,
Gi na Chineke gba ndu ta,
Kwuput'okwukwe gi.

3. Inwegh onwe-i ugbu a,
Ọ bu Kraist nwere gi,
Aha-gi na nke ndi nsọ dum
K'edekọrọ n'otu.

4. Yir' ih'agha Chuku,
Guzogid' Ekwensu,
Ọgu ahu gesi ike,
Ma nmeri gabu nk'ayi.

5. Okpu-nmeri genwu,
Ab'ọn̄u di utọ,
Mgbe okwukwe gatọgb'ọlu-Ya
N'ukwu nk'Onye-nwe-ayi. *Amen.*

## 30 *The King of Love my Shepherd is*

Abu Ọma 23:1 *S.* 562

1. Jehovah bu Onye nazum,
   Obi ọma-Y'adigh-ebi,
   Ọ digh ihe kọrọm ukọ,
   Abum nke-Ya mgbe nile.

2. Ebe miri nke ndu neru
   K'Ọ nedu nkpuru-obim,
   N'ebe ahihia ndu neto
   K'O ji nri nk'igwe nazum.

3. Akpafuru n'uzọ nke-Ya
   Ọ chọrọm n'ihu-n'anya,
   Ọ tukwasirim n'ubu-Ya,
   Wer'ok'ọṅu bulagam.

4. N'onyiny' ọnwu atughm egwu,
   N'ihi na Gi nọyerem,
   Nkpa-n'aka-I nakasim obi,
   Obe-Gi n'irum nedum.

5. N'iru nd'irom k'I nenyem nri,
   Tekwam manu amara,
   Ọṅu kachasi ọṅu dum
   Si n'iko-I rudataram.

6. E, idi-nma n'ebere-Gi
   Gagbasom na ndum nile,
   Ez'onye-nche ka m'neto Gi
   Nim'ulo-I mgb'ebigh-ebi. *Amen.*

## 31 *'Twas on that night when doomed to know*

I Ndi Kọrint 11: 24—25

1. N'abal' ahu k'arara Ya
   Nye n'aka iwe nd'iro dum,
   Ka Onye-nzọputa uwa
   Ji nara ogbe achicha.

2. Mgb' O nyesiri Ya ekele,
   Bu Onye nwe uwa n'igwe,
   Ọ nyaw' ih'atu nk' aru-Ya,
   Nye ndi nes'uzọ-Ya nasi:—

3. "Aru nke anyawara nye
   N'ihi unu, nara, rie, di ndu:
   Mgbe nile unu geme ya,
   Necheta ihu-n'anya nkem."

4. Ọ nara iko n'aka-Ya,
   Nye Chuku otuto ọzọ,
   K'Ọmiko nenwu n'obi-Ya,
   Nzọputa si n'ọnu-Ya bia.

5. "Ọbara nkem k'awusiri
   K'Ọ sacha obi nke nmehie,
   Ọgbugba-ndu nka gosiri
   Amar'ebigh-ebi nk'igwe.

6. Ihu-n'anya jur'iko nka,
   K'ọra ṅua manya nsọ ahu,
   Naṅunu ya n'ọgbọ nile,
   Necheta oge ọnwu nkem." *Amen.*

Ndi Rom 6:13 *S.* 616

1. Were ndum, Nna, k'ọburu
 Ih'edoro nsọ nye Gi,
Were ubọchim nile,
 Ka ha neru n'otuto.

2. Wer'akam ka ha neme
 K'ihu-n'anya-Gi si chọ,
Were ukwum, me ka ha
 Di nfe n'ije-ozi-Gi.

3. Were olum, ka m'nabu
 Abu nye nani Ezem,
Were irem, me k'o jue
 N'ozi ọma si na Gi.

4. Were akum na egom,
 O nwegh nke gafọdurum,
Were uchem n'ikem dum,
 Me ka O si di Gi nma.

5. Wer'ọchichọm, me ya nke-I,
 Ọ gagh-abu nkem ọzọ,
Were obim: Gi nwe ya,
 Ọ gabu och'eze-Gi.

6. Onye-nwem, ihu-n'anyam
 Ka m'tọgbọrọ n'ukwu-Gi,
Wer' onwem, agamabu
 Nani nke-Gi mgbe nile. *Amen.*

## *Not all the blood of beasts* 33

Ndi Hibru 10:1-10 *S.* 117

1. Ọbara anu dum,
   Ndi-Ju ji chu aja,
   Emegh k'obi ọjọ di nma,
   Ma sachapu njọ-ya.

2. Kraist, Nw'aturu igwe,
   Nebupu nmehie-ayi,
   Ya bu aja di ok'ọṅu
   Kari aja nile.

3. Okwukwem getiye
   Aka-ya n'isi-Gi,
   Ka m'neguzo ikwuputa
   Ih'ọjọ dum m'mere.

4. Nkpur'obim necheta
   Ibu nke I buru,
   K'akpọgidere Gi n'obe,
   Na njọ-ya di n'isi-I.

5. Ayi kwere, we ṅuria
   N'ebupuru njọ-ayi,
   K'ayi gọzie Nw'aturu Chuku,
   To ihu-n'anya-Ya. *Amen.*

## *Here we suffer grief and pain* 34

Aisaia 35:10

1. N'ebe a k'ayi nenwe nsogbu,
   N'ebe a nzukọ nwe nkewa,
   Nkewa adigh n'igwe.

*Chorus*:— Ọ gabu ih'ọṅu,
Ọṅu, ọṅu, ọṅu,
Ọ gabu ih'ọṅu,
Mgbe nkewa nagagh-adi.

2. Ndi huru Jisus n'anya,
Galakuru Ya n'igwe,
Soro ndi nsọ n'elu.

3. Umu-nta g'ebi n'igwe,
Ndi chọrọ nn'ayi n'ekpere
N'ulo-Ya n'uwa nka.

4. Ndi ozizi-ayi gezu kwa,
Na ndi ayi huru n'anya,
Ghar'ikewa ọzọ.

5. Ọnu-ayi gadi uku,
N'ihi n'ayi gahu Jisus
K'Ọnọ n'och'eze-Ya.

6. Ayi nile geji ọṅu,
Neto Kraist, bu Onye-nw'ayi,
Rue mgbe ebigh-ebi. *Amen.*

**35** *Hush! blessed are the dead*

Nkpughe 7:17

1. Ndi nwuru nwe ngọzi,
Nez'ike na Jisus,
Ndi tukwasir'isi
N'obi-Ya mgbe nile.

2. Ọhu nke ndi ngọzi,
Nenwegh ọchichiri!
Ha hu ihe nk'ihe,
Nke hạ huru n'anya.

3. H'agafewo uwa,
Ya na ahuhu-Ya;
Ih'egwu nk'abali,
N'anwụ n'ekpọ ọkụ.

Jisus geduru ha
4. N'eb'ifufe adigh,
Eb'ahihia n'eto
Na nso is'iyi ndu.

Nani ayi, ṇdi nọ nso
5. Ili, bu ndi kwara
Ih'oge gaṛ'aga,
N'onyinyo fọduru.

Olu-ha n'iru-ha,
6. Ihu-n'ạnya ha ji—
Na ṃgbe-ya fọduru,
Uwa ạmgh kwa ha.

7. Ndi nwer'obi-ọma,
Nche ikp'azu agwu!
Ạyi nakwa n'ihi unu;
Atal'ayi, Kraisṭ kwara!

8. Ngwa Ngwa mgbe Chi g'abọ,
Olu oku Jisus
Nke ka ọnwu n'ike
Gasi, Ḅilie, ṅuria! *Amen.*

## 36 *When our heads are bowed with woe*

Aisaia 53. *S.* 736

1. Mgbe ayi ruru n'ahuhu,
   Mgbe anya-miri nagb'ayi,
   Mgb'ayi n'akwa ndi'-ayi lara,
   Jisus, Nwa Devid, nuru.

2. I yir'anu-aru-ayi,
   I buru ihe-ngbu-ayi,
   I gbapur'anya-miri,
   Jisus, Nwa Devid, nuru.

3. I rubew'isi-I n'ọnwu,
   I wusiw'ọbara-ndu,
   Adọbar'ozu-I n'ili,
   Jisus, Nwa Devid, nuru.

4. Mgbe obi neru uju,
   Neche nmehie-ya nile;
   Mgbe mọ-ayi natu egwu,
   Jisus, Nwa Devid, nuru.

5. Mgbe atań ọnwu n'aku,
   N'ihi obi-ayi nala,
   Mgb'ubọchi ikpe-ayi di nso,
   Jisus, Nwa Devid, nuru.

6. I mar'ihere na ngbu,
   N'ihi njọ n'abugh nke-Gi,
   Ma I kwere ibu ha,
   Jisus, Nwa Devid, nuru.

7. I gabigara n'ọnwu,
I sachapuru njọ-ayi,
I nọ n'aka-nri Chuku,
Jisus, Nwa Devid, nuru. *Amen.*

*There's a land that is fairer than day.* 37

I Ndi Kọrint 2:9 *S.* 964

1. Ala di mara nma kar'ihe,
Site n'okwukwe k'ayi ji hu ya,
Nn'ayi Chineke, nechere na ya
K'O doziri ayi eb'obibi.

*Chorus:*—M'emesia, m'emesia,
Ayi gezukọ n'al'ọm'ahu:
M'emesia, m'emesia,
Ayi gezukọ n'ala ọm'ahu!

2. Ayi ganabu n'ala ọm'ahu.
Ab'utọ ahu nke ndi-ngọzi,
Mọ-ayi gapu n'ihe-nwuta dum,
Ghara is'ude n'ih'izi'ike.

3. Ọbu ezi Nn'ayi nke bi n'elu
K'ayi geny'otuto kwesiri Ya,
N'ihi onyiny'ihu-n'anya-Ya
Na ngọzi nke n'edo ndu-ayi nsọ. *Amen.*

*There is no night in heaven* 38

Nkpughe 21:4

1. Abal'adigh n'igwe,
N'uwa-ngọzi ahu

Ọlu agagh-agwu ike,
Ọlu b'ihu-n'anya.

2. Akwa adigh n'igwe
N'ihi na ndu b'ọṅu,
Akwa b'otu nim'ihe mbu
Nke gabigasiri.

3. Nmehie adigh n'igwe,
N'etiti ndi-ngọzi,
Uwe ọcha-ha dizu nsọ,
Abu-ha di kwa nsọ.

4. Ọnwu adigh n'igwe,
Ndi ruru n'eb'ahu
Eritawo anwugh-anwu,
H'agagh-anwu ọzọ.

5. Jisus, bur'Onye-ndu!
K'ayi gafe abali,
Akwa, nmehie nile, n'ọnwu,
Ayi we rue n'el'igwe. *Amen.*

39 *All people that on earth do dwell*

Abu Ọma 100: *S.* 9

1. Madu nile ndi bi n'uwa,
Tobenu Chineke n'ọṅu,
Werenu egwu febe Ya,
Unu bia n'iru Ya n'ọṅu!

2. Onye-nw'ayi bu Chuku n'ezie,
Ọbu nani Ya kpuru ayi,

Ọ si n'ayi bu aturu-ya,
Ọbu Onye n'enye ayi nri.

3. Were otuto ba n'ulo Ya,
Were ọṅu ba n'ogige-Ya,
Neto aha-Ya mgbe nile,
O kwesiri ime otu a.

4. N'ihi na Chineke di nma,
Ebere-Ya adigh agwu,
Okwu-Ya n'eguzos'ike,
Ọ gadigide mgbe nile.

5. To Chineke, Onye-Ngọzi!
To Ya, ihe nile n'uwa!
To Ya, usu nke di n'igwe!
To Ṅna, n'Ọkpara, na Mọ Nsọ! *Amen.*

*Be glad in the Lord and rejoice* **40**

Abu Ọma 68:3 *S.* 207

1. Ṅuria ọṅu nime Jisus,
Unu ndi obi-ha di nma,
Unu ndi rọtakwara Ya,
Si nwuta na ir'uju la!

*Chorus:*—Ṅuria! Ṅuria!
Ṅuria ọṅu nime-Jisus,
Ṅuria! Ṅuria!
Ṅuria ọṅu nime-Jisus.

2. Ṅuria n'ihi n'Ọ bu Eze,
Nachi n'uwa na n'el'igwe,
Oji okwu-Ya ke ihe,
Ọ b'Onye-ngbaputa d'ike.

3. Ma chihie gba ọchichi,
Abali kpuch'iru-igwe,
K'uche ghara iche unu,
Tukwasi obi na Chuku!

4. Ṅuria ọṅu nime-Jisus,
Weren'ubọ, n'olu, n'obi,
Netonu Ya n'ibu abu,
K'aleluya nada uda! *Amen.*

**41** *I will sing of my Redeemer*

I Ndi Kọrint 6:20 *S.* 896

1. Agamet'Onye-ngbaputam
N'ihu-n'anya O jirim,
N'Obe k'Ọ huru ahuhu
Ka m'pua n'ọbubu ọnu.

*Chorus:*—Biko, to Onye, ngbaputam!
Ọbara-Ya k'Oji gbam!
N'obe k'Ọ kwusiri ugwọm,
Me ka m'pua n'oru nmehiem.

2. M'gakọ akukọ ebube,
Otu Ọ gbaputaram,
N'ihu-n'anya n'ebere-Ya,
Mgbe m'fur'efu n'oke njọm.

3. Agamet' Onye-ngbaputam,
N'akọ ike nmeri-Ya,
Otu O si me k'ayi meri
Nmehie, n'ọnwu, n'ọku-mọ.

4. Agamet' Onye-ngbaputam,
N'ihu-n'anya-Ya n'igwe;
Ọgbatawom n'ọnwu, nyem ndu,
Ka m'biyere Ya mgbe dum. *Amen.*

### *Jesus Christ is risen today* 42

1. Jisus Kraist biliri ta, Haleluya!
Ya mere ayi naṅ'ọṅu, Haleluya!
Ọ nwuru n'elu obe Haleluya!
K'Ọ we gbaputa'yi n'oru Haleluya!

2. K'ayi were abu tobe Ya, Haleluya!
To Kraist Eze nke igwe, Haleluya!
Ọ nagider'ọnwu obe, Haleluya!
K'Ọ zọputa-ndi nmehie Haleluya!

3. Nhuj'anya Ọ hujuru, Haleluya!
Ka O ji natar'ayi ndu, Haleluya!
Ọ b'Eze n'igwe ugbu a, Haleluya!
Ebe ndi-m'ozi nabu Haleluya!

4. To Ọkpara biliri, Haleluya!
To Nna-Ya, bu Chineke, Haleluya!
To Mọ Nsọ nke di ngọzi, Haleluya!
K'ọra nile naza si Haleluya! *Amen.*

### *I feel like singing all the time* 43

Abu Ọma 34:1 *S.* 218

1. Ọ dim ka m'nabu mgbe nile,
Emewo k'akwam bie;

N'ihi na Jisus bu Eyim,
Ka m'fe Ya kw'ubọchi!

*Chorus:*—Ka m'to Ya, to Ya, to Ya
Mgbe nile!
To Ya, to Ya, ka m'to Ya
Mgbe nile!

2. Mgbe m'huru Onye-nwem n'obe,
Akpọgburu n'ihim,
Akwaram akwa, ma ugbu a,
Anameto mgbe dum.

3. Mgbe ọnwunwa nanwa obim
Ka m'si "Jisus bu nkem"
Anya-miri gagbam n'ezie,
M'anameto mgbe dum.

4. Akukọ Nw'aturu Chuku
Were ọnu-gi kọ—
Ka ndi ọzọ were abu ọṅu
N'aga, neto mgbe dum. *Amen.*

**44** *Sinful, sighing to be blest*

Luk 18:13

1. Mu, di njọ, nachọ ngọzi,
Ṅachọ ka m'puta n'oru,
Nechere izu-ike:
Chuku, merem ebere.

2. Enweghm ezi agugọ,
Nmehie di n'ọlum nile,
Nani nkpam ka m'nebute:
Chuku, merem ebere.

3. Obi, ntiwa n'ihere
Ekweghm iweli anyam,
Ma Gi mar'ude m'nasu:
Chuku, merem ebere.

4. Site n'obi-nmehie nka
Ka m'gbakuru nani Gi;
Abugh nkem, kama nke-Gi:
Chuku, merem ebere.

5. Onye nọ ns'och 'eze-Gi
Ka m'tukwasiri obim;
Enweghm iye aka ọzọ:
Chuku, merem ebere.

6. Ya ganekwurum ọnum,
Ya gasughari okwum;
Ya bu nkem, na n'ihi Ya,
Chuku, merem ebere. *Amen.*

## *Jesus, my Lord to Thee I Cry* 45

Ndi Rom 5:6 *S.* 476

1. Onye-nwem, Gi ka m'kpọkuru,
Aghaghm inwu m'I yeghm aka,
Weruta nzọputa-Gi nso,
Werem otu m'si di!

*Chorus:*—Werem otu m'si di,
Werem otu m'si di!
Jisus nwurum! bu aririọm,
Werem otu m'si di!

2. Ike adigh, ikpe maram,
Ma I wusirim ọbara-I,
I puru imem ka I si chọ;
Werem otu m'si di!

3. Apughm ijikere onwem,
Ezi nzubem ka m'mebiri,
Ma zọputam n'ihi aha-I;
Werem otu m'si di!

4. Onye-nzọtam, lem n'ukwu-Gi,
Mesom ka O si di Gi nma,
Malite ọlu-I lusia ya,
Werem otu m'si di! *Amen.*

## 46 *Jesus, lover of my Soul*

Aisaia 32:2 *S.* 227

1. Jisus, Eyi nke obim,
Ka m'gbaba n'okpuru Gi,
Mgb'osimiri nebili,
Mgb'ifufe nefes' ike
Onye-nzọputam, zobem
K'ifufe ndu a gabiga;
Durum ga n'ala udo,
Biko, nara nkpur'obim.

2. Enweghm ebe-ngbab'ọzọ,
Obim koro n'aru-Gi,
Biko, arapukwalam,
Kwagidem, kasiem obi,
Gibu ntukwasi obim,
Nani I neyerem aka;
Biko, were ndo nku-Gi
Kpuchie isi-ọtọ nkem.

3. Ihe nile nke m'nachọ,
Kraist, ahuzuwom na Gi,
Palitem, kasiem obi,
Gwọ ọriam, du ony'isi.
Aha-Gi bu aha nsọ,
Ejurum n'aj'omume;
Aghughọ di nim'obim,
I juru n'ezi-okwu.

4. Amara-Gi di uku,
Ọ gekpuchi njọm nile,
Me ka miri-ọgwugwọ
Sacham, debekwam ọcha.
Gi bu is'iyi nke ndu,
Ka m'nara miri n'efu,
Suputa nime obim
Rue na ndu ebigh-ebi. *Amen.*

*My faith looks up to Thee* 47

Jọn 1:29 *S.* 235

1. Okwukwem di na Gi,
Nwaturu Kalvari,
Onye—nzọtam,
Nur'aririọm ugbu a,
Wepu nmehie nile,
Site n'ubọchi ta
K'm'buru nke-I.

2. K'amara-Gi nenye
Obim ike ọhu
Nanu ọku.
Eb'I nwuru n'ihim,

K'ihu-n'anyam buru
Ọku di nsọ nere
Mgb'ebigh-ebi.

3. Mgbe m'nawa ọhia ndu
N'etiti ahuhu,
Bur' onye-ndum.
Chupu ọchichiri,
Hichap' anya-miri
Ekwela ka m'kpafue
N'uzọ nke-Gi.

4. Mgbe ndum ka nrọ gagwu,
Mgb' osimiri ọnwu
Geruchikwam,
Jisus, k'ihu-n'anya-I
Chupu egwum nile;
Buruem n'elu n'udo,
Onye nzọtam. *Amen.*

**48** *Through the Love of God our Saviour*

Eklisiastis 8:12

1. Site n'ihu-n'anya Jisus,
Ọ gadi nma;
Ebere-Ya enwegh ngbanwe,
Ọ diwo nma.
Ọbara-Ya di ok'ọnu
Amara-Ya zuru oke,
Aka nechebe ayi d'ike:
Ọ gadi nma.

2. M'ayi nagafe nim'ahuhu,
Ọ gadi nma;
Nzọputa nke-ayi zur'ezu,

Ọ diwo nma,
Ayi kwere Chuku, nwe ọṅu;
Nime Kraist k'ayi gami nkpuru,
Mọ Nsọ nedu ayi n'idi-nsọ;
Ọ gadi nma.

3. Ayi nel'anya echi ọma,
Ọ gadi nma;
Okwukwe nabu n'ahuhu;
Ọ diwo nma.
Ayi daber'ihu-n'anya Nna;
Jisus negboro ayi nkpa dum,
Ayi di ndu m'ọbu ayi nwuru,
Ọ gadi nma. *Amen.*

*Trust on trust on believer,* **49**

Aisaia 12:2 *S.* 811

1. Natukwasi Ya obi-I,
Ma ọgu nan'ọdu,
I gabu onye-nmeri,
Chuku galuru gi.

*Chorus:*—Kwere! Kwere!
M'abali gb'ọchichi!
Kwere! Kwere!
Chi-ọbubọ di nso.

2. Natukwasi Ya Obi-i,
Ok'ọnwunwa di nso;
N'elu miri ize-ndu
Ọ ganya ugbọ-gi.

3. Chuku puru izọpur'ayi,
Ọbu ezi Eyi:
Natukwasi Ya obi-i
We rue n'ikp'azu ndu. *Amen.*

## 50 *Give to the winds thy fears*

Abu Ọma 37:5 *S.* 561

1. Gi atula egwu;
Nel'anya Chineke,
Ọ nuwo is'ude-i n'akwa-i,
O gebul'isi-gi.

2. Nime nsogbu nk'uwa,
Ọ nakwara i uzọ;
Chere mgbe-Ya, abali nka
Gebi n'ubọchi ọṅu.

3. Ọ nachi ihe dum,
Ha nanu olu-Ya;
Ọlu-Ya nile bu ngọzi,
Uzọ-Ya bu ihe.

4. O setia aka-Ya,
Gini gegbochi Ya?
Mgb'Ọ galuru ndi-Ya ọgu,
Onye gemegide?

5. Wer'ihe dum ny'Eze,
K'Ọ narọputara i!
Ọ geju i anya, I gasi,
K'ike aka-Ya ra!

6. I gahu n'izu-Ya
Kariri uche-gi,
Mgb'Ọ luzuru ọlu ahu
Nk'i turu egwu ya.

7. Gi mara obi-ayi;
Hur'adigh-ike-ayi,
N'ewelite aka-nkuda,
Gba ikpere ume!

8. Kwe k'ayi, na ndu n'ọnwu,
Kwusa ezi okwu-Gi,
N'agbasa ihu-n'anya-Gi,
Na nchebe Gi-nile. *Amen.*

## *Peace, perfect peace, in this dark world of sin* 51

Aisaia 26:3 *S.* 726

1. Ezi udo, nim'ajọ uwa nka?
Ọbara Jisus neny'udo n'obi.

2. Ezi udo, mgbe ọlu nanyigbu?
Ime uche Jisus bu iz'ike.

3. Ezi udo, n'etiti ahuhu?
N'akuku Jisus nani nkasi di.

4. Ezi udo, mgbe ndi-ayi nanọgh nso?
N'aka Jisus ayi na ha nọ n'udo.

5. Ezi udo, ma ayi amagh echi?
Ayi mara Jisus! Ọ nọ n'och'eze.

6. Ezi udo, ma ọnwu nọ nso ayi?
Jisus emeriwo ike ọnwu.

7. Ọ diwo nma, Ọg'uwa nka gebi;
Jisus gakpọ ayi la n'udo nk'igwe. *Amen.*

**52** *When peace like a river attendeth my way*

Abu Ọma 55:18 *S.* 901

1. Mgb'udo, dik'osimiri, neru n'uzọm,
Mgbe nsogbu biara k'ebli;
N'ọnọdum Ọ bula I mewom ka m'si,
"Ọdi nma, Ọ diri obim nma."

*Chorus:*—Ọ di nma.........Ọ di nma;
Ọ di nma.........Ọ diri obim nma.

2. Ekwensu gesogbu, ọnwunwa gabia,
Ka m'tukwasi obim na nka:
Na Kraist amatawo na ike adighm,
We wusi ọbara-Ya n'ihim.

3. Nmehiem-echiche nka n'enyem ok'ọṅu,
Nmehiem-ha nile, ka ha ra,
Di n'obe Jisus, ebughkwam ha ọzọ!
To Chuku! to Chuku, nkpur'obim!

4. N'ebe m'nọ idi ndu bu Kraist mgbe nile!
Ọ buru na ọnwu abia,
Ọ gagh-ewutam; n'ọnwu dika na ndu,
I genye nkpur'obim udo-Gi.

5. Jisus, ọ b'ọbibia-Gi k'ayi nechere;
Ili agagh-ab'ulo-ayi;
Opi nke mọ-ozi! olu nke Chuku!
Olil'anya, n'iz'ike obim!
*Amen.*

### *Jesus, the very thought of Thee* 53

I Pita 1:8 *S.* 60

1. Jisus, echiche bayere I
Nenye utọ n'obi;
Ma ihu iru-I ka utọ,
N'iz'ike na nso Gi.

2. O nwegh ọnu nke pur'ikọ,
Echiche amagh kwa,
Aha kariri nke-I n'utọ,
Onye-nzọput'uwa!

3. Olil'anya ndi nakwa njọ!
Ọṅu ndi di nwayọ!
Ndi dar'ada nenwe nzọta,
Ndi nachọ-I nwe ngọzi.

4. Ma ndi chọtara Ya? madu
Apugh ikọwa Ya!
Ihu-n'anya-Ya, ih'Ọ bu
Nani ndi-Ya mara.

5. Jisus, nani ọṅu nke-ayi!
I gabu ugw'ọlu:
Bur'inya-isi-ayi ugbua,
Na mgbe ebigh-ebi! *Amen.*

Abu Ọma 119:54 *S.* 838

1. Umu nke Eze igwe,
Dik'unu n'aga, buanu,
Neto Onye-nzọputa,
Uzọ-Ya di ebube.

2. Ayi n'alakuru Chuku
N'uzọ nke nn'ayi-ha gara;
Ugbu a ha nwere ọṅu,
Ayi gesoro n'ọṅu-ha.

3. Umu Chuku, tienu nkpu!
Unu ganọ n'och'eze
Nk'edoziri n'eb'ahu:
Al'eze n'ugw'ọl'unu!

4. Umu ihe, weli'anya,
Lenu obodo Zaion,
Ulo ebigh-ebi-ayi,
Ebe ayi g'ahu Jisus.

5. Umu-nna, atul'egwu,
Guzo nso igwe n'ọṅu!
Jisus Kraist, Ọkpara Nna,
Si "Unu n'aga n'iru!"

6. Chineke, ayi kwer'ila,
Were ọṅu rap'uwa,
Nani bur'ayi Onye-ndu,
Ayi ganesogide Gi! *Amen.*

## *Guide me, O Thou great Jehova* 55

Abu Ọma 48:14 *S.* 524

1. Nedum, Gi Jehova uku,
   Ony'ije n'ọzara nka;
   Ike adighm, gi di ike,
   Wer'aka-I d'ike jidem!
   Nri nke igwe,
   N'azum rue mgb'afọ gejum!

2. Meghe is'iyi di ọcha
   Miri-ngwọpu si eru;
   K'igw'oji n'ogidi-ọku
   Dugidem n'ijem nile,
   Onye-nzọta,
   Buru ikem n'ọtam mgbe dum!

3. Mgbe m'gazọ ukwu na Jọdan
   Chupu egwu nke m'natu;
   Ka m'gafe ọnwu n'ọku-mọ,
   Rue ala Kenean n'udo.
   Ab'otuto
   M'gabuku I mgb'ebigh-ebi! *Amen.*

## *There is life for a look at the crucified One* 56

Ndi Hibru 9:28 *S.* 123

1. Ndu di n'ih'ile Ony'akpọgburu anya,
   Ndu diri gi na mgbe di ugbua;
   Le Y'anya, Onye-njọ, k'O we zọputa gi,
   Ya bu onye eburu n'osisi.

*Chorus:*—Le! Le! k'i di ndu!
Ndu di n'ih'ile Ony'akpọgburu anya,
Ndu diri gi na mgbe di ugbu a.

2. Gini k'O ji nọ ka Onye nebupu njọ,
M'Ọ buru na ebogh Jisus njọ-I?
Ọbar'isacha njọ n'eru n'aru-Y'aṅa,
Ma ọnwu-Ya akwugh ugwọ-gi?

3. Ọ bugh anya-miri-i m'ọbu ekpere-gi,
Ọ b'Ọbara n'ekpuchi nmehie-i;
Ngwa biakute Jisus Onye nebu njọ-gi.
Wusi-kwara gi Ọbara-Ya.

4. Enwela ob' abua, n'ihi na Chineke si
N'Ọ digh ihe fọduru ime,
Na Ọ biara otu ugbo na uwa nka,
Lusia ọlu Ọ malitere.

5. Ngwa, were ọṅu nara Jisus ọsọsọ,
Ndu ebigh-ebi Ọ nenye Gi,
Mara na nkpuru-obi-gi apugh inwu,
N'ihi na Jisus di mgbe nile. *Amen.*

## 57 *Revive Thy work O Lord*

Habakuk 3:2 S. 309

1. Tute-ọlu-Gi, Kraist,
Setipu aka-Gi,
Me ka ndi-Gi nuru olu
Nakpọte ndi nwuru.

*Chorus:*—Tute ọlu Gi, Kraist,
Setipu aka Gi

Me ka ndi Gi nuru olu
Nakpọte ndi nwuru.

2. Tute ọlu Gi Kraist,
K'ayi nefe Gi n'ebe a
Biko ridata Nn'amara
Bia gọzie ayi ugbu a.

3. Tute ọlu Gi Kraist,
Ka nri ndu nagu ayi,
K'akpiri miri ndu nakpọ
Nkpur'obi ayi mgbe dum.

4. Tute ọlu Gi Kraist,
Welite aha Gi
Me k'ihu n'any'ayi di ọku,
Site na Mọ Nsọ Gi. *Amen.*

*Sing them over again to me* **58**

Jọn 6:63 *S.* 357

1. Bu-kwaram abu ndia ọzọ,
Okw'ebube nke ndu!
Ka m'hu kari ka nma-ha ra,
Okw'ebube nke ndu!
Okwu nke ndu di nma,
Zim okwukwe n'ọlu!

*Chorus:*—Okwu Ọma! d'itu-n'anya!
Okw'ebube nke Ndu!

2. Kraist, Onye-ngọzi, n'eny'ayi dum
Okw'ebube nke Ndu!

Ndi-njọ, genu nti oku'ahu,
Okw'ebube nke ndu!
Enyer'ọra n'efu,
N'akpọ ayi bia n'igwe!

3. Ol'utọ nke Ozi-ọma nakpọ,
Okw'ebube nke Ndu!
N'eny'ọra ngbanghara n'udo,
Okw'ebube nke Ndu!
Kraist, Onye-nzọputa,
Do ayi nsọ mgbe nile! *Amen.*

## 59 *Where will you spend Eternity*

II Pita 3:10-12 *S.* 430

Ol'eb' I ganọ ebigh-ebi?
Ajuju nka biara mu na gi
Gwam ihe ọziza i g'abu
Ol'eb' i ganọ ebigh-ebi?

*Chorus:-* Ebigh-ebi! ebigh-ebi!
Ol'eb' i ganọ ebigh-ebi?

2. Ọtutu narọ nrọ Jisus
Necheghari na njọ ha nile
Ha g'eketa ngọzi n'igwe
Ol'eb' i ganọ ebigh-ebi?

3. I narapu uzọ nkpagide,
Neje n'uzọ di obosara
Gini ka nsọtu ya gabu?
Ol'eb' i ganọ ebgh-ebi?

4. Chegharia kwere Ya ugbu a
Kwere n'ike amara Jisus
Ọziza nke i n'ọṅu gabu
Azọputam ebigh-ebi. *Amen.*

*Thou whose Almighty word* **60**

Jenesis 1:3 *S.* 5

1. Chineke, okwu-Gi
K'ọchichiri nuru
We gbalaga.
Biko, nur'olu-ayi,
N'ebe n'ile n'uwa,
Ozi-ọma-I akarugh.
Me k'ihe di!

2. Jisus, I wetara
Na nku ngbaputa-Gi
Ndu n'ih'uzọ;
N'agwọ nd'ọria n'obi,
Nasaghe anya ndi isi;
N'aru madu nile
Me k'ihe di!

3. Mọ Nsọ nk'ihu-n'anya,
Nduru nsọ n'enye ndu,
N'efes'ike;
Neru n'elu miri,
Neb'ọku amara,
N'ọchichiri nk'uwa,
Me k'ihe di!

4. Atọ nke di ngọzi,
Trinity d'otuto,

Juputara
N'amam-ihe n'ike,
N'ihu-n'anya nile;
Eb'uwa sọturu
Me k'ihe di.

**61** *There's not a friend like the lowly Jesus*

Jọn 15:13 *S.* 904

1. Ọdigh eyi nke dika Jisus,
Ọdigh otu, ọdigh otu,
G'agwọ ọria nile nke obi ayi
Ọdigh otu, ọdigh otu.

*Chorus:*—Jisus mar'ahuhu ayi nile
Ọ geduru nsọtu ubọchi
Ọdigh eyi nke di ka Jisus
Ọ digh eyi nke di ka Jisus
Ọdigh otu, ọdigh otu.

2. Ọdigh eyi dika Ya n'idi nsọ
Ọdigh otu, Ọdigh otu,
Ọdigh eyi dika Ya na nwayọ
Ọdigh otu, ọdigh otu.

3. Ọ di ndi nsọ biara ọ rapu ha?
Ọdigh otu, Ọdigh otu,
Ma ọbu ndi nmehie Ọ rapu ha?
Ọdigh otu, ọdigh otu.

4. Ọ di onyinye dik'onye nzọpu
Ọdigh otu, Ọdigh otu,
Ọ gaju inye ayi ulo n'igwe?
Ọ genye, Ọ genye.

## *I am so glad that our father in Heaven* 62

Jọn 3:16 *S.* 38

1. Ana-mañuri na Nna Chineke
Kọr'ihu n'anya Ya n'akwukwọ Nsọ
Ihe ebube m'huru n'akwukwọ Nsọ
Nke kasi bu na Jisus hum n'anya.

*Chorus*—M'nañuri na Jisus hum n'anya,
Ọ hum n'anya, Ọ hum n'anya,
M'nañuri na Jisus hum n'anya
Jisus hurum n'anya.

2. Ọbu ezie na m'chefuru Ya kpafue
M'Ọ nahum n'anya n'eb'ọbula m'nọ
M'galaghachi n'ihu n'anya nke Ya
Ma m'cheta na Jisus nwuru n'ihim.

3. Ọburu nani abu nke m'gabu
Mgbe mu g'ahu Eze n'ima nma Ya
Nka gabu abu ebigh-ebi nkem,
Ọ d'ebube na Jisus hum n'anya. *Amen.*

## *Why not now?* 63

II Ndi Kọrint 6:2

1. Mgbe ayi n'ekpe mgbe ayi n'ariọ
Ebe ihuru ọchichọ obi i
Mgbe Nna ayi n'akpọla i ulo,
I gagh abia nwanne mu? )

*Chorus*:—Gini gbochiri gi
Ibiakute Kraist ugbu a?
Gini gbochiri gi
Ibiakute Kraist ugbu a?

2. Ikpafuwo, ihiewo uzọ,
Etuful' ubọchi ọzọ
Ewepul'iru na Chuku
Nara amara Ya ta.

3. I chọtagh udo na uwa,
Ny'obi nk'esogbuworo,
Biakute Kraist, kwere na Ya,
Udo n'ọṅu k'i genwe.

4. Biakute Kraist, kwuputa njọ,
Bia k'inara ngbaghara,
Tukwasi Y'obi kw'ubọchi
O geche i n'uzọ nile. *Amen.*

## 64 *Courage, brother do not stumble*

I Ndi Kọrint 16:13

1. Jis'ike! asula ngọngọ
M'uzọ-gi gba ọchichi;
Ihe di g'edu ndi nwayọ!
Tukwasi Chuku obi!

2. Ma uzọ jọ njọ, di egwu,
Nsọtu-ya di kwa anya,
Zọye, n'ike, nadigh-ike,
Tukwasi Chuku obi!

3. K'izuzu ọjọ la n'iyi,
N'ihe nat'ujọ ihe!
Ma i nada, m'i nemeri,
Tukwasi Chuku obi!

4. Mad'udọdu gakpọ i asi,
Ndi ọzọ geleda i anya,
Rapu ha, le anya n'elu,
Tukwasi Chuku obi!

5. Iwu nfe, n'ezi odudu,
Udo, n'ike n'im'obi
Kpakpando neny'ihe n'uzọ:
Tukwasi Chuku obi!

6. Jis'ike, asula ngọngọ,
M'uzọ-gi gba ọchichi;
Ihe di gedu ndi nwayọ:
Tukwasi Chuku obi! *Amen.*

### *Stand up, stand up; for Jesus* 65

II Timọti 2:3 *S.* 680

1. Guzo, guzoro Jisus,
   Ndi-agha nke obe!
   Bulie ọkọlọtọ-Ya,
   K'Ọ ghar'ihu iyi.
   Si na nmeri rue nmeri
   Ọ gedu ndi agha-Ya;
   K'O we kpochapu nd'iro,
   Ghọ Ony'isi n'ezie.

2. Guzo, guzoro Jisus;
   Nuru uda opi,
   Pua n'ok'ọgu n'ubọchi
   Nke otuto-Ya nka.
   Unu ndi dike, so Ya
   Imegide nd'iro Ya!
   Ebe ih'ize ndu di
   K'ike unu puta.

3. Guzo, guzoro Jisus,
Nani n'ike nke-Ya!
Atukwasila obi
N'ike nk'anu-aru,
Yir'ih'agha Chineke,
Neche nche n'ekpere,
Eb'ọlu di m'ọb'egwu,
Aghala inọ ya!

4. Guzo, guzoro Jisus!
Ọgu gadi nw'oge;
Ta k'uzu-agha n'atu,
Echi b'abu nmeri,
Onye nemer'emeri
G'enwe okpu nke ndu,
Ọ geso Ez'otuto
Bur'ez'ebigh-ebi! *Amen.*

**66** *Christian, seek not yet repose*

Matiu 26-41 *S.* 687

1. "Kristian, achọla" ura
Otu a ka Mọ Ozi i nekwu
I di n'etiti ndi iro
"Che nche, kpe."

2. Ndi isi na ndi di ike
Nachikọ ndi-agha-ha,
Neche mgbe i gagh eche
"Che nche, kpe."

3. Ke ihe-agha-i nk'igwe,
Neyi ya na mgbe nile;
Ekwensu neche anwu:
"Che nche, kpe."

4. Ge nti olu ndi-nmeri;
Ha nele ayi n'ọgu-ayi
Ha ji otu olu si
"Che nche, kpe."

5. Nu olu Onye-nwe-gi,
Onye i huru n'anya;
Zob' okwu-Ya n'obi-gi;
"Che nche, kpe."

6. Che, dika na nani ya,
G'enye i nmeri n'ọgu-gi;
Kpe, k'iye aka we bia;
"Che nche, kpe." *Amen.*

## *Seek ye first, not earthly pleasure* 67

Matiu 6:33

1. B'uzọ chọ, ọ bugh ih'uwa,
Ọṅu n'aku nke nagafe;
M'ihu-n'anya nenwegh atu,
Chọnu nka!

2. Achọla otuto uwa,
Ọchichọ nke nabagh n'ihe;
Kama chọ nkpa obi,
Chọnu nka!

3. Chọ ngọzi n'udo Chineke—
Inwe ndia b'inwe ihe dum!
Bia nekwuputa njọ-unu;
Chọnu Ya!

4. Chọnu Ya, k'Ọ gbaghar' unu,
Me unu-ndi nketa igwe,
Werenu ndu unu nye Ya,
Chọnu nka!

5. Ch'ọbibia nke al'eze-Ya;
Chọnu k'azọputa madu—
K'akpọbata ha nye Jisus:
Chọnu nka!

6. Chọnu nka n'anwa nkwa nke-Ya;
Ọ d'ike, n'egbo nkpa nile;
Ih'igwe-nadabere Ya—
Chọnu ha! *Amen.*

**68** *Joy fills our inmost heart today*

Matiu 1:23

1. Ọṅu juru obi-ayi ta;
Amuru Nwa Eze:
Usu ndi-m'ozi naṅuri
N'ihi obibia Ya ta.

*Chorus:-* Ṅuria ọṅu! Nwa Chineke
Biara ibi n'uwa;
Ọ digh aha tọkari nka:—
Immanuel.

2. Ayi n'egbu ikpere nye Ya,
Neto, nasọpuru,
Mgbe ayi huru Gi n'aka nne-I,
Gi Nwa nke Chineke.

3. Gi ihe anekegh eke,
Mukwas' ayi, Nwa di nsọ;
K'ayi we hu amara Gi.
N'efe I n'obi-ọcha. *Amen.*

## *According to thy gracious word* 69

Luk 22:19

1. Jisus, dik'Okwu-Gi si di,
N'obi-ume-ala,
Nka ka m'geme, Onye nwuru,
Agamecheta Gi.

2. Aru-Gi anyawara nyem,
Gabu nrim si n'igwe;
Agamaṅu n'iko ngọzi-I,
Were ya cheta Gi.

3. M'ganechefu Getsemane?
M'gahu igba-ngba-Gi,
N'ọsus' ọbara n'ahuhu-I,
Ghara icheta Gi?

4. Mgbe m'chere iru n'obe-Gi,
Lekwasi Kalvari;
Nw'aturu Chuku, Aja nkem,
Aghaghm-icheta Gi;

5. Cheta Gi, n'ihe ngbu-Gi dum,
N'ihu-n'anya-I n'arum,
Ebe ume-ndu fọduru,
Agamecheta Gi.

6. Ma mgbe ọnum kpuchitara,
M'akpa-uchem lara,
Mgbe I gabia n'al'eze-Gi,
Jisus, biko, chetam. *Amen.*

## 70 *All hail the power of Jesus, name*

Nkpughe 19:16 *S.* 203

1. K'ọra tobe ike Jisus,
Ka ndi m'ozi-Ya da,
Weputa okpu nke eze,
Bia me Ya Ez'ọra.

2. Me Y'Eze, ndi-ama Chuku
N'eguzo n'iru Ya;
To Ya, b'Onye unu soro,
Bia me ya Ez'ọra.

3. Umu Israel arọtara,
Ndi agbaputara,
Kelenu Onye-nzọputa,
Bia me Ya Ez'ọra.

4. Ndi-njọ, ndi napugh ichefu
Olulu di ilu,
Nagbas'ak'unu n'ukwu-Ya,
Bia me Ya Ez'ọra.

5. K'ebo nile n'asusu dum,
Naz'oku anakpọ,
Buye Ya ebube nile,
Bia me Ya Ez'ọra.

6. K'ayi soro ndi nsọ bi n'igwe,
Da n'ala n'ukwu-Ya,
Soro n'abu ebigh-ebi,
Bia me Ya Ez'ọra. *Amen.*

*Praise, O praise our God and King* **71**

Abu Ọma 136:25

1. To Chineke, b'Eze-ayi;
Buanu abu otuto.

*Chorus:*—N'ihi na ebere-Ya,
Nadiru mgb'ebigh-ebi.

2. To Ya na Ya ker'anwu
K'Ọ nag'ije-ya mgbe dum.

3. O ker'ọnwa nke neti,
N'enye ihe n'abali.

4. To ya, ya zoro miri,
K'O me ji n'ubi ru mba.

5. To Ya n'ihi nri ka nma,
Ihe-mbe dum nk'el'igwe.

6. Otuto dir'Eze-ayi,
K'uwa nile neto ya.

*Chorus:*—Tobe Atọ-nim'Otu,
Nna, N'Ọkpara na Mọ Nsọ. *Amen*

Matiu 26:39

1. Chuku, ka m'so uzọ-I,
K'ọchichiri-ya ra;
Wer'aka-Gi duziem,
Rọputaram uzọ.

2. Ọ di nma m'o di njọ,
Ọ gakachasi nma
Ọ gbagọ, zir'ezi,
Ọ gedu n'iz'ike.

3. M'gagh-arọr'ọnọd'um'
M'nwe ike m'gagh-ekwe;
Chineke, rọtaram,
Ka m'nagazi nk'ọma.

4. Al'eze nke m'nachọ
Bu nke-Gi? ya mere
K'uzọ-Ya buru nke-I,
Ka m'ghara ikpafu.

5. Wer'ikom mejue ya
N'ọṅu m'ọbu n'uju;
Otu ọ di Gi nma
Rọtaram njọ na nma.

6. Rọtaram ndi-eyim,
Ọriam, n'aru-ikem;
Rọtaram ich'uchem,
Akum m'ọb'ogbeyem.

. Nrọputa abugh nkem,
N'ih'uku n'ihe nta;
Bur' Onye-ndum n'ikem,
Uchem, n'ihem nile. Amen.

*This is the day the Lord hath made.* 73

Abu Ọma 118:24 *S.* 272

1. Ta b'ubọchi Chuku ḍoro,
Ọ kpọ y'oge nke-Ya;
K'igwe n'ala ṅuria n'otu,
N'eto Ya n'och'eze.

